# ONYE AGHA NKE JISỌS

**Ndi Efesọs 6:10-24.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 404**

**Nke Ndietiti**

**AMAOKWU IBU N'ISI: "Yikwasinu ihe agha nile nke Chineke, ka unu we pu iguzogide ihe nile ekwensu nēzuputa" (Ndi Efesọs 6:11).**

**Mkwado makaAgha**

Ị̀ pụrụ itule n'uche gị ọnọdụ obibi ndịagha eleghịanya nke ahụ ijèruworo mgbe nna gị maọbụ nwanne gị nwoke tọrọ gị bụ onyeagha? Ihe mbụ ị naahụ́ ka ị naabịarute ọnụụzọ́ámá ahụ bụ ọtụtụ ụlọ ewuruewu kwụ n'ahịrị n'ahịrị ebe ndị agha bi náalụ kwa ọlụ Ilepụanya n'iru ị gaahụ́ ụmụmmadụ n'ebe niile n'ebe ịgwúriegwú ha. Ụfọdụ nọ n'usoro n'ahịrị náazọ ijè. Ụfọdụ naamụ̀ ịgbá égbè n'ebe ịgbá égbè. Ụfọdụ nọ n'ebe ụgbọelu naada náakwado ịmụ ifé n'ụgbọelu ndị ha ji alụ ọ̀gụ̀. Ndị a niile naamụ ịbụ ndị agha, ha naamụ kwa ibu agha.

Ka ị naabánye nime otù nime ụlọ ndịa, ị pụrụ ịhụ́worị ndị Mekanik naalụ ọlụ n'akụkụ ụgbọelu dị icheiche. N'ụlọ izuike ha ị gaahụ́ ndị osiite na ndịagha ọkwa ntà náejéozi. N'ebe ọzọ, ndị na enye ndịagha ákwà ha náedebe kwa akwụkwọ dị icheiche igosi otú esi enye ha, nọ kwa. Ihe ndịa niile ka anaeme n'ihi ichebe ala anyị.

**Agha Nke Imemmụọ**

Ndụ nke OnyeKraist bụ kwa ndụ agha. Otù mgbe ahụ azọpụtasịrị nwatanwoke maọbụ nwatanwanyị, ekwensu abịa ịnwa ịnapụ ya nzọpụta ya. Anyị kwesịrị inwe mkwenye ịlụso ekwensu ọ̀gụ̀ idebe nzọpụta anyị, dịka anyị si naeguzogide ndị ahụ náachọ ịnapụ anyị obodo anyị a maramma, bụ Nigeria. Chineke nọnyere anyị ma anyị bụrụ ezi ndịnkeKraist. Ọ naachọ ka anyị bụrụ ndịagha dị ike, gaapụ kwa imegide n'ike, náenyeghị ekwensu oghere ọ bụla. Chineke akwadowo iheagha zuruókè n'ihi nchebe mkpụrụobi anyị, Ọ naenyekwa anyi iwu iyikwasị ya -- yikwasịnụ iheagha niile nke Chineke, ka anyị wee pụ iguzogide ihe nịile ekwensu naezupụta maọbụ aghụghọ niile ya.

**Ihe Nchebe Anyị**

Ndi gaabụ ndị agha n'obodo Nigeria gaabụ ndị gbasiriike n'arụ. A naele onye ọ bụla nime ha arụ tutu anara ya. N'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyi taa, Akwụkwọnsọ naenye Iwu ka onye ọ bụla nime ndịagha Chineke dịike nime Onyenweanyị, na nime ịdịike nke ike Ya. Ya mere, Ọbụná dị na ọ bụrụ na nwatanwoke maọbụ nwatanwanyị adịghị ukwu n'ibuibu maọbụ gbasie ike n'arụ, ọ pụrụ ịdabere siike na Jisọs wee dịkwa ike na Ya.

Ihe mbụ anaakụziri onyeagha bụ ịbụ onye kwesịrịntụkwasiobi nye obodo ya, na irubeisi nye iwu niile nke Onyeisi ya. Anyị, dịka ndị Kraist, náekwenye n'ihe gbasara Kraist. Anyị naagwa Chineke na anyị gaabụ ndị kwesịrịntụkwasịobi nye Ya; anyị na Ya gaayịkọ jee ogologo ụzọ ahụ rue Eluigwe; na anyị naekwe kwa mkwà irubere iwu Ya niile isi. Onyeiro mkpụrụobi anyị naanwa ime ka anyị bụrụ ndị naabụghị ndi kwesịrị ntukwasiobi nye obodo anyi nke dị n'Eluigwe, nke Jisọs bụ Onyeisi ya. Ekwensu naanwa kwa ime ka anyị bụrụ ndị náenupuisi n'iwu nke Onyeisi ụsụ̀ ndịagha anyị nyeworo anyị. Jisọs bụ Onyeisi ụsụ̀ ndịagha anyị, edewokwa iwu Ya niile n'Akwụkwọnsọ.

Anyị adịghị ahụ Onyeiro anyị bụ ekwensu, kama ọ dịrị n'ezie. Anyị ejighị kwa anya anụarụ anyị ahụ Jisọs, kama Ọ naebi nime obi anyị, Iru Ya naadịnyekwara anyị n'ezie. Onyeiro nke mkpụrụobi anyị dịike, kama Jisọ ka ya ike. Anyị anaghị atụ́ ekwensu egwù, kama anyị na asọpụrụ náenwe kwa egwù ziriezi nye Jisọs, bụ Onyeisiagha nke nzọpụta anyị.

**Ngwaagha Ahụ**

Onyeagha ọ bụla ka anaenye akpụkpọụkwụ siriike atụworo ya iji náazọgharị. Anaenye ya okpuagha ịbụ ihe mkpuchiisi ya. Anaenye kwa ya égbè kuziekwara ya otú esi agbá ya. Mgbe ọ naanọ n'ala onyeiro ọ naelezianya ka ọ ghara ịdaba n'igbudu ewe nwude ya dịka onye alụtara n'agha.

Anyị naagụ na iheagha mbụ nke Chineke rọpụtaara ndịagha nke Kraist Ya bụ eziokwu. Ịmatararị ihe eziokwu bụ? Anyị naagụ ọ̀zízá ya n'Akwụkwọnsọ ebe anyị pụrụ inweta ọ̀zízá ajụjụ anyị niile. Jisọs gwara otù nime ndị náesoụzọ Ya, "Mu Onwem bu uzọ, ezi-okwu na ndu." Mgbe anyị naekwu eziokwu, ọ bụghị náání iji ọnụ anyị kwue ya kama site n'obi anyị, ọbụná dị ma asị na ọ gaeweta nsogbu na ntaramaahụhụ, ọ naeme ka anyị dịike. Anyị naadị ike nime Onyenweanyị, n'ihi na Jisọs ahụ bụ Eziokwu, enyeworo anyị aka ikwu eziokwu.

Eziokwu dịka ihe okikè ekèrè n'obi anyị na n'uche anyị. Ọ naenyere anyị aka ịdọtasị kwa ihe niile ọ bụla anaechepụta n'agha ịñántị Kraist. Mgbe ọnwụnwa naabịa anyị naañántị iwu Kraist wee guzogide ekwensu.

Iheagha ọzọ náeso bụ ihe náegbochi obi nke eziomume. Jisọs bụ eziomume anyị, ime ezi ihe anyị -- ihe niile yiri Kraist -- dị ka efere igwe siri ike nke náegbochi obi anyị, bụ akụkụ kachasị mkpà n'arụ anyị. N'ebe ọzọ n'Akwụkwọnsọ anaekwu banyere ihe mgbochi a dịka okwukwe na ịhụn'amya (I Ndi Tesalọnaika 5:8). Ka anyị náedebe okwukwe anyị na Jisọs, naanụkwa ọkụ n'ịhụn'anya anyị nye Ya, apụghị imeri anyị maọlị.

Nye ụkwụ anyị bụ mkwádobe nke bụ Oziọma nke udo. Ụkwụ anyị ganaedu anyị ijéozi niile nke irubeisi. Otù nime iwu Onyeisi usụagha anyị bụ "Ganu n'uwa nile, kwusara ihe nile ekère èkè oziọma nkem" (Mak 16:15). Anyị pụrụ ịgwá ndị anyị na ha naegwurita egwu, ikekwa onyenkuzi anyi, ndi nne na nna anyi ha ma ọ bụrụ naazọpụtabeghị ha banyere Jisọs. Chineke gaenye anyị ọtụtụ oghere ma ọ bụrụ na anyị zubere n'ezie ime ihe O nyere n'iwu. Ya mere n'otù nime ụbọchị ndị anyị gaenweta ókè n'alaeze udo ahụ nke Jisọs gaedebe n'ụwa a.

Anyị gaewere kwa ọta nke okwukwe nke anyị gaeji menyụ akụ́ụta niile naenwu ọkụ nke ajọ onye ahụ nime ya. Akụ́ụta niile ekwensu naatụ́ jupụtara n'ọkụ. Ọ naachọ ka ha rugidesieike n'obi anyị ka o wee jupụta n'iwe, nkọcha na échìchè ọjọọ niile gaala mkpụrụobi anyị n'iyi. Kama anyị naeweli ọta nke okwukwe na mkwà Chineke niile wee menyu ọkụ ahụ. Akụ́ụta ahụ ekwensu naezube iji la anyị n'iyi naada n'ụkwụ anyị náemerughị anyị arụ. N'ihi na Chineke ekwewo mkwá na Ya "agagh ekwe ka anwa unu kari nke unu puru inagide; kama n'oge ọnwunwa ahu ọ gēme kwa uzọ ngbapu" (I Ndi Kọrint 10:13).

Ndị ahụ naeji obi ghereoghe anụ Okwu Chineke ndị ahụ naagụ naamụ kwa Akwụkwọnsọ ebe edererị mkwà niile Chineke, bụ ndịagha kachasị mma. Ọ naakara ha mfé ịtụgharị ọta okwukwe ahụ, n'ihi na "okwukwe si n'ọnunu puta, ma ọnunu ahụ sitere n'Okwu Kraist" (Ndi Rom 10:17).

Okpuagha nke nzọpụta bụ nke ọzọ náeso. Nke a bụ olileanya anyị nwere na Onyenweanyị gaedebe anyi n'okpuru Ọbara Ya ahụ dị Ókéọnụahịa náenyekwara anyị aka imeri n'ọ̀gụ̀ niile anyị na ekwensu naalụ kwa ụbọchị na mgbe niile rue mgbe Jisọs gaabịa ọzọ.

Mmaagha nke Mmụọ Nsọ, nke bụ Okwu Chineke, ka enyere n'ikpeazụ n'ihi na ọ bụ ya bụ iheagha kachasị ike n'ọlụ. Akwụkwọnsọ naekwu sị, "Okwu Chineke di ndu, nālusi kwa ọlụ ike, di kwa nkọ kari mma-agha ọ bula nke nwere iru abua" (Ndi Hibru 4:12). Jisọs jiri ya mgbe onye ahụ náanwa mmadụ bịakwutere Ya. Mgbe ọ bụla ka Jisọs naasi, "Edewo ya", mgbe emesikwara ekwensu wee rapụ.

**Náechenche Náekpeekpere**

Ná ngwụcha ndepụta iheagha nke imemmụọ ndịa, ka anaagwa anyị naekpeekpere. Agwara anyị mgbe anyị gaekpeekpere, otú anyị gaesi ekpeekpere; na ndị anyị gaekpereekpere site naekpere na arịrịọ niile nime Mmụọ Nsọ. Anyị ganaamụ anya n'ikpe ekpere, ka Onyeiro ghara igbochi anyị ịnọgidesiike maọbụ ịnọgide n'ekpere anyị rue mgbe anyị matara na Chineke anụwo wee za kwa. Anyị ganaekpeekpere banyere onweanyị, banyere anyị n'otù n'otù banyekwara ndịòtù anyị n'Oziọma; nke ka nke banyere ndị Ụkọchkwu (minista) anyị na ndịnlekọta anyị, ka ha naekwusa Okwu Chineke na mkwuwaokwu dịka Chineke naachọ ka ha náekwusa ya.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1 N’ike onye ka anyị kwesịrị ịdịike dịka ndịagha Kraist?

2 Gịnị mere o ji dị mkpà ka anyị yikwasị iheagha niile nke Chineke?

3 Òlee ịchịisi na ndịonweụwa niile anyị n’agba mgba megide?

4 Òlee iheagha isii edepụtara n’iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị taa?

5 Òlee mgbe na otú o kwesịrị ka anyị náekpeekpere? Banyere ndị òle?

6 Gịnị mere Pọl ji náachọ ka ndị Kraist nke Efesọs náekpere ya ekpere?